Ntụlekọrịta Mbụrụ Anụmanụ Metụtara Nkwujọ N'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa Na Ịgala

Chinedu C. Ezebube
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
chinedu.ezebube@unn.edu.ng

Chioma M. Akaeze
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
chioma.akaeze@unn.edu.ng

Ogechukwu F. Chukwuneke
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
ogechukwu.chukwuneke@unn.edu.ng

&
Oluebube P. Chukwuma
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka

Ụmị

Nchọcha a mere ntụlekọrịta mbụrụ anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta mbụrụ anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala; ịmata myiri dị n'etu asụsụ ndị a si eji mbụrụ ndị a chọpụtara arụ ọrụ; na ịchọpụta ndịiche dị n'etu asụsụ ndị a si eji mbụrụ ndị a chọpụtara arụ ọrụ. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'asụsụ anọ dị na Naijiria iji nweta ngwa nchọcha. Atụtụ e ji mee nchọcha bụ atụtụ njirime nke Ludwig Wittgenstein na Paul Horwish. Site n'iji atụtụ a, ọrụ nchọcha a gosiri na mbụrụ metụtara echiche ma bụrụkwa ụzọ mmadụ si akọwa etu o si ahụta ụwa o bi n'ime ya. Asụsụ ndị e ji mee nchọcha nwere ndị na-eji otu anụmanụ ezipụta otu echiche. Iji maa atụ, asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala na-eji oke ezipụta izu ohi. N'otu aka ahụ, asụsụ ndị e ji mee nchọcha

nwekwara ebe ha dịwagasịrị iche n'onwe ha. A chọpụtara na e nwere asụsụ nwere myiri karịa ndị ọzọ. Asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala ka were nwee myiri karịa asụsụ Awụsa. Nke a bụ maka na asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala si n'otu ezinaụlọ asụsụ.

1. Mkpọlite

Anụmanụ so n'otu n'ime ihe dị na gburugburu mmadụ. Ọ bụghị naanị na ọ nọ na gburugburu mmadụ bụ isi sekpụ ntị n'echemeche a, kama ya na mmadụ nwere ọtụtụ myiri. N'ogo ihe ekere nke ụwa, ọ bụ mmadụ gachaa, anụmanụ esote. A na-ahụtakwa mmadụ dịka anụmanụ nwere uche. Ọzọ, ndị Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala bụcha ndị na-akpa anụmanụ dịka otu n'ime ụzọ ha si arụpụta ọrụ ugbo ha. Ha na-eri ụfọdụ anụmanụ ma sikwa na ha enweta akpụkpọ ha ji ekwe ịgba, emepụta akwa nakwa akpụkpụ ụkwụ. Ha na-erekwa ụfọdụ anụmanụ ndị a iji nweta ego. Ndị Igbo bị n'ọwụwa anyanwụ Naijirịa nke gụnyere steeti Abịa, Anambara, Ebonyi, Enugwu na Imo. Ha gbasakwara ebe niile na ndịda Naijirịa ruo Niger-Delta nakwa etiti ugwu Naịjirịa.Ndị Yoroba bụ ndị ama ama dịka ndị na bi mpaghara ọdịda anyanwụ Naijirịa nke gụnyere steeti Ekiti, Lagos, Ogun, Ondo, Osun na Oyo. Yoroba gbasakwara ruo mpaghara Kwara na Kogi steeti. Paul (2021) kwuru na ndị Awụsa bụ ndị bi na mpaghara ugwu Naịjirịa nke gụnyere Kano, Jigawa, Kaduna, Gombe, Katsina, Kebbi, Zaria, Bauchi, Borno, Sokoto, Adamawa, Yobe nakwa Taraba. Ụfọdụ ebe na steeti ụfọdụ dịka Plateau na Kwara bụ ndị Awụsa. Ndị Ịgala bu ndị bi n'etiti ndị ugwu na ndị ndịda nke Naijirịa n'ime steeti Kogi. Ha bi na mpaghara oke ala ugwu na nke ndịda Naịjirịa. N'ihi mbikọ ọnụ agbụrụ ụfọdụ dịka Yoroba, Igbo, Jukun, Idoma, Edo (Benin), Nupe, Hausa, Igbirra, Bassa-Kwomo na Bassa-Nge bikọrọ, o mere ka e nwee mmekọrịta dị ukwu n'etiti ha.

N'ezie, akụkọ mmekọrịta mmadụ na anụmanụ eteela ọ dịwara, malite n'akụkọ ifo ruo n'akụkọ etiọlọjị. Nke a nwere ike ịkwado echemeche mere ndị mmadụ ji ejikarị mbụrụ anụmanụ ezipụta echiche n'ekwumekwu/mkparịtaụka ha. Echiche ndị a nwere ike ịbụ nke ọma maọbụ nke ọjọọ. O nwekwara ike ịbụ nke nkwuma/otuto maọbụ nke nkwujọ/nkatọ. N'ihi nke a ka ịmata etu ndị Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala si eji mbụrụ anụmanụ ezipụta nkwujọ ji bụrụ otu n'ime nsogbu nchọcha a. Kövecses (2010) mere ka o doo anya na mbụrụ bụ nke a na-ahụtakarị na ndụ ma bụrụkwa nke mmadụ nkịtị na-eji akparịta ụka kwa ụbọchị. Mbụrụ bụ otu n'ime atụmatụokwu e nwere nke na-eji otu ihe amado n'ihe ọzọ nke enweghị oyiyi nke

mbụ. Ọ bụ ọnọdụ iwere ihe na-eyiteghị ihe tụnyere ihe ahụ site n'ikwu na ihe ahụ bụzi ihe ahụ kpọmkwem. Onuchukwu (2013:236) kọwara mbụrụ dịka "otu n'ime atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo e ji achọ edemede maọbụ okwu mma". Ọ gara n'ihu kọwaa na mbụrụ bụ ịsị na ihe dị otu a iji wee zipụta maọbụ gosi nke ọma ńhé ihe ahụ a na-ekwu maka ya bụ site n'ihe ya na ya dị n'otu ụdị. Ọfọmata (2013) na nkọwa nke ya kwuru na mbụrụ nwere ka o siri yitewe myiri n'ihi na ha abụọ na-atụle ihe abụọ atụle mana ihe dị iche na ha bụ na myiri na-asị na ihe dịka ihe ọzọ, ebe mbụrụ na-ekwu na ihe bụ ihe ọzọ.

Ọzọ dịka ibe ya, asụsụ niile nwere nkwuma na nkwujọ. Dịka anyị maara na nkụ dị na mba na-eghere mba nri, nkwujọ n'otu asụsụ nwere ike, ọ gaghị abụ nkwujọ n'asụsụ ọzọ. N'otu aka ahụ, ihe bụ nkwuma n'otu asụsụ agaghị abụ nkwujọ n'asụsụ ọzọ. N'uche Liu (2002), mbụrụ metụtara omenaala ndị n'ihi na ihe bụ mbụrụ n'otu asụsụ nwere ike ọ gaghị abụ n'ọzọ. Nke a bụ eziokwu maka na ihe ndị anabataghị n'omenaala ha enweghị ike ịbụrụ ha mbụrụ. Mkpa ịchọpụta etu asụsụ ndị a na-enyocha si ezipụta mbụrụ anụmanụ metụtara nkwujọ bụkwa oghere ọzọ nchọcha a chọrọ imechi. N'ụzọ dowagara anya, mbunuche nchọcha gụnyere ịchọpụta mbụrụ anụmanụ metụtara nkwujọ n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala; ịmata myiri dị n'etu asụsụ ndị a si eji mbụrụ ndị achọpụtara arụ ọrụ; na ịchọpụta ndịiche dị n'etu asụsụ ndị a si eji mbụrụ ndị achọpụtara arụ ọrụ.

2. Atụtụ nchọcha

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ njirime iji nyochaa isiokwu ya. A họọrọ atụtụ a n'ihi na nchọcha gbakwasịrị ụkwụ n'usoro mbụrụ amụmanụ nke atụtụ a ji enye nkọwa. Ọ na-akọwa na echiche okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ. Nke a gosiri na o nweghị okwu nwere echiche. Atụtụ a na-akọwa etu mbụrụ si eji echiche arụ ọrụ. Ndị tụpụtara atụtụ njirime bụ Ludwig Wittgenstein na Paul Horwish (1953), kọwara na mbụrụ na-eji otu ihe amado n'ihe ọzọ nke enweghị agwara ya. Dịka Umezi (2017) siri kọwaa, o kwuru na o nwere akwụkwọ Wittgenstein dere n'afọ 1953 bu nke ọ kpọrọ *Philosophical Investigation.* Ọ kọwara na ọ bụ n'ime akwụkwọ ahụ ka Wittgenstein nọrọ tụlee ihe jikọtara okwu ọbụla na akụkụ ụwa ebe a nọrọ kwuo ya. Ọ chọpụtara na echiche okwu ọbụla pụtara ihe ndị nwe ya ji ya eme, maọbụ ihe ha nwere ike iji ya mee ma ọ bụkwanụ usoro ha nwere ike ịgbaso mgbe ha chọrọ iji ya mee ihe n'asụsụ ha. Udemmadụ (2018) n'aka nke ya kwadokwara atụmatụ a mgbe o kwuru sị na mpụtara okwu ọbụla na-esite

etu agbụrụ nwe asụsụ ahụ siri hụ ya. Ọ gakwara n'ihu kwuo na Horwish dọnyere atụtụ a ukwu n'ime akwụkwọ ya ọ kpọrọ *Truth*. Umezi (2017) kwuru na ọ bụ n'ime akwụkwọ a ka ọ nọrọ kwado atụtụ a ma kwuo na ihe dị mkpa bụ na echiche okwu ọbụla gbadoro ụkwụ n'ihe ndị nwe asụsụ ahụ ọ dị na ya ji ya eme. Ọ gara n'ihu kọwaa na ịga nyochawa ma okwu ahụ abụ eziokwu ma ọ bụghị bụ nke adịghị mkpa. Uru dị n'atụtụ a dịka Ibeh (2017) siri kọwaa bụ na ọ na-ewepụta echiche na nsirihụ mba dị iche iche. N'ihi uru dị n'atụtụ a, a ka ji ya arụ ọrụ ruo taa.

3. Nchọcha ndị e merela n'isiokwu

N'agba nke a, a ga-arụtụ aka n'ọrụ ndị ọzọ rụrụla nke metụtara mbụrụ, anụmanụ, na asụsụ nke ga-enyere aka ịhụ mbọ na nchọcha ndị e merala na nchọcha ndị yitere nke a. Barasa na Opande (2017) nyochara iji mbụrụ anụmanụ ezipụta ụmụnwanyị n'ilu ndị Bukusu na Gusii nke Kenya. Ebumnuche ha bụ ịchọpụta etu e si eji mbụrụ anụmanụ ezipụta nwoke na nwaanyị n'ilu Bukusu na Gusii nakwa ịchọpụta mpụtara miri emi na mpụtara nkịtị nke asụsụ mbụrụ nke e ji ezipụta ilu ikike na ịnọ n'ọchịchị nke nwoke na nwaanyị. Ha nwetara ilu iri anọ na asatọ site n'ajụjụ ọnụ ha jụrụ mmadụ ise gbara afọ iri isii ruo iri asaa ndị sitere na mpaghara Bukusu na Gusii. Ha jiri atụtụ mbụrụ ndịnechiche na nke ntụcha ụbụbọ kempụrụiche nhatanha oke na nne nyochaa njiatụle. Ha chọpụtara n'ilu ndị Bukusu na Gusii, ha na-eji ihe adịghị ndụ amanyere ụmụnwaanyị dịka osisi, anụmanụ, egbe, ukwu osisi, ahụ mmadụ na nsị.

Barasa na Opande (2017) chọpụtara na ha na-eji anụmanụ dịka nkịta, nwamba na efi ezipụta ụmụnwaanyị n'ilu ha. Dịka nkịta, ha na-ezipụta ụmụnwaanyị ha dịka ndị ahụghị n'anya, akwụna, ndị amaghị ekwu okwu nke ọma na ndị ekwesighị ịkpaso agwa ihụnanya ma ghara ịkwanyere ugwu. Dịka nwamba, ha hụtara ụmụnwaanyị dịka ndị agaghị akwụrụnwu n'onwe ha, ndị amaghị akwụkwọ na ndị umengwụ. Ha jikwa ihe adịghị ndụ zipụta ụmụnwaanyị ha. Ọmụmaatụ bụ ụzọ nke ụmụnwoke ha ji ha emere ihe akwamiko. Dịka nnụnụ (nne ọkụkọ na oke ọkpa), ha hụtara ụmụnwaanyị ụzọ abụọ dịka ihe ọma na ihe ọjọọ. Nke ọma bụ na ha na-arụsi ọrụ ike mana nke ọjọọ bụ dịka ndị asịrị na ekwurekwu; nke a na-ezipụta ekwesighị ntụkwasị obi. Ha chọpụtakwara na ụmụnwoke ha bụ ndị enweghị ntụpọ na ndị agaghị anwụ anwụ ebe ụmụnwaanyị ha bụ ndị a na-apa apa ka akwa.

Waśniewska (2018) mere nchọcha n'ihe gbasara iji anụmanụ, ọkachasị nkịta na agụ owuru eweda ugwu mmadụ. Ebumnobi nchọcha ya bụ ịmata njirimara na ihe na-ebute mmekpa ahụ n'ebe anụmanụ nọ site n'iji ya kọwaa mpụtara na-ekwesịghị ekwesị a na-enye otụtụ mmadụ na otu site n'ịgbado ụkwụ n'anụmanụ anọ. Ha bụ oke, ehi, agụ owuru na nkịta. Atụtụ mgbakwasị ụkwụ ya bụ atụtụ mbụrụ ndịnechiche. Ọ chọpụtara na oke na-ezipụta ndị achọghị maọbụ ndị ajụrụ ajụ. Nke a bụ n'ihi njirimara e ji mara oke nke bụ iru unyi nakwa anụ na-ebukarị ọrịa. Ehi na-ezipụtakwa ọtụtụ ndị e ji eme ibu dịka a maara ehi ka anụmanụ n'ebu ibu. Agụ owuru pụtara ndị iro na-achọ ọbara ha ga-aṅụ; ọ bụkwa anụ nwere obi ọjọọ. Ọ kwadoro nke a maka njirimara e jiri mara nkịta ọhịa nke bụ anụ na-emekpa ahụ maọbụ na-adọkasị ihe. Nke ikpeazụ bụ nkịta. O kwuru na nkịta nwere mbụrụ dị iche iche tụmadị ka o si metụta omenaala. Ndị okpukperechi Allah hụtara ya dịka ihe rụrụ arụ ebe ndị Eshia hụtara ya dịka anụ a na-egbu ata. Ndị Iroopu hụtara ya dịka anụ ụlọ na anụ na-enye ha ọmụmụ.

Ahamefula, Agbedo na Iloene (2020) na nchọcha ha nyochara mpụtara na nghọta a na-enye anụmanụ n'ụfọdụ ilu Igbo dị n'iduuazị *Ogwu* nke Krisagbedo. Ebumnobi nchọcha a bụ ịkọwa etu e si eji mpụtara akọwa ilu Igbo, ịchọpụta akụrụngwa nke asụsụ a na-eji egosi mpụtara n'ilu Igbo ma nyochaa mpụtara ya n'ilu Igbo. Usoro ha ji mee nke a bụ usoro kenkọwasi na nkọwami. Ahamefula na ndị ọzọ (2020) ejighị atụtụ ọbụla kama ha kọwara ilu na mpụtara ilu ndị ahụ dị n'akwụkwọ Krisagbedo, *Ogwu*. Ha chọpụtara na mpụtara okwu na-adị n'ụdị nkebiokwu. Mpụtara anụmanụ nke sitere n'omenaala ndị na-adị n'ilu metụtara anụmanụ. Ya mere, etu ndị Igbo si aghọta mpụtara ha na-enye aka ịmata mpụtara si n'ilu Igbo. Ọrụ nchọcha ha mere chọpụtara na mpụtara na ilu Igbo bụ ahụghị ma erighị.

Ezebube, Akaeze na Chukwuneke (2020) nyochara nzipụta onwụ n'ụzọ mbụrụ n'abụ ọnwụ dị n'*Akpa Uche*. Ebumnuche ha bụ ịchọpụta mbụrụ ndị e ji ezipụta ọnwụ n'abụ ndị a họọrọ, etu e si eji mbụrụ ezipụta ọnwụ nakwa etu mbụrụ ndị ahụ siri bụrụ enyo e si ahụta ndụ ndị Igbo. Ha gbadoro ụkwụ n'atụtụ mmado mbụrụ/atụtụ mbụrụ ndịnechiche nke Lakoff na Johnson. Site na nchọcha, ha chọpụtara na e nwegasịrị mbụrụ ndịnechiche ndị odeabụ e nyochara abụ ha ji kọwaa ọnwụ. Mbụrụ ndị ahụ bụ 'Ọnwụ bụ ihe', 'Ọnwụ bụ mmadụ', 'Ọnwụ bụ ndụ', 'Ọnwụ bụ njedebe'. 'Ọnwụ bụ mmadụ' kacha gbaa elu n'abụ ndị e nyochara.

Mbụrụ ndịnechiche ndị a chọpụtara gosipụtara nkwenye ndị odeabụ ndị e nyochara abụ ha n'ihe gbasara ọnwụ.

Orji (2021) nyochara mbụrụ metụtara ntaji anya na nsirihụ ndụ ndị Igbo. Ebumnuche nchọcha a bụ ịkọwa ihe ntaji anya pụtara, ịchọpụta ihe ndị na-ebute ntaji anya, ịchọpụta echiche mbụrụ dị iche iche metụtara ntaji anya na nsirihụ ndụ ndị Igbo. Usoro nchọcha a bụ usoro nkọwami na nkọwasị. Orji (2021) jiri atụtụ njirime nakwa atụtụ ncheke nke bụ iji ihe nhụrụnanya mado nke nhụrụnuche. Orji (2021) chọpụtara na ntaji anya bụ otu n'ime agwa ọjọọ a na-ahụ n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ chọpụtakwara na e nwere okwu mbụrụ dị iche iche metụtara ntaji anya n'Igbo nakwazị ihe ndị na-ebute ntaji anya. Ụfọdụ okwu mbụrụ metụtara ntaji anya a chọpụtara gụnyere; anya mgbakasị, anya ụfụ, iwe obi, asịrị, ekworo, ụfụ obi; ebe ihe ndị na-ebute ntaji anya a chọpụtara bụ: agamnihu, mmụọ ịsọ mpi, nkewa, anyaukwu, ibu iro, esemokwu nakwa enweghị afọ ojuju. Orji (2021) na-atụ aro ka onye ọbụla nwere mmasị n'ịmụ asụsụ Igbo tụmadị n'ebe o metụtara amụmamụ ncheke were akwụkwọ nchọcha a gụọ n'ihi na ọ ga-abụ ihe ntụziaka n'ebe amụmamụ gbasara mbụrụ dị.

Na nchọcha e merela, a tụlere ọrụ ndị ọkammụta na ọkankụzi dịgasị iche iche. Myiri dị n'etiti nchọcha ndị e nyochara bụ na ha niile mere nnyocha mbụrụ. Ụfọdụ mere nchọcha gbasara mbụrụ tụmadị ka o si metụta ndị Igbo ebe ndị ọzọ lebara anya n'asụsụ ndị ọzọ. Otu ihe doro anya na nchọcha ndị e nyochara bụ na o nweghị nke lebara anya na mbụrụ anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala. Ya bụ nsogbu bụ ihe mere nchọcha a ji dị oke mkpa n'ihi na ọ chọrọ ịkọwami ihe ndị ọzọ akọwaghị.

4. Usoro nchọcha

Ụdi nchọcha a bụ nchọcha sọvee. Ebe e mere ya bụ n'ala Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala. Nke ala Igbo bụ na steeti Anambara na Enugwu. Nke Yoroba bụ n'Osun na Kwara. Nke Awụsa bụ na steeti Kaduna na Kano ebe nke Ịgala bụ na steeti Kogi. Ebe ọ bụ na nchọcha gbadoro ụkwụ na mbụrụ, ndị nchọcha ji nzube a ma sere mmadu ise ise n'ala Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala. Ndị a bụkwa ndị a họọrọ site na steeti ndị a kpọrọ aha n'elu. Ọzọ, a gbara mbọ hụ na ndị a họọrọ bụ ndị gbarala afọ iri anọ na ise gbagowe. E kwenyere na ndị a bụ ndị kwesịrị ịma ihe gbasara asụsụ ha nke ọma ma makwara ọrụ mbụrụ n'asụsụ. Iji nweta data zuru oke maka

nchọcha a, ndị nchọcha gbara ndị niile a họọrọ ajụjụ ọnụ. Ụfọdụ n'ime ha ka e jere n'ụlọ ọrụ ha nakwa n'ụlọ obibi ha ma were mkpịsịodee na akwụkwọ dekọta ihe gbasara mbụrụ. Maka ndị a họọrọ enweghị ike ịhụ ihu na ihu, ndị nchọcha ji ọwa ozi imeelu, telegramụ na ekwentị nakọta data ndị a chọrọ.

5. Ngọsipụta na ntụcha njiatụle

5.1 Ngosipụta mbụrụ anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala

N'ebe a, a ga-eji tebulu wee gosipụta anụmanụ ndị ahụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala. E depụtara nkwujọ iri abụọ ma gosipụta mbụrụ anụmanụ asụsụ a na-enyocha na nchọcha ji anọchi nkwujọ maọbụ atụnyere nkwujọ.

Tebulu 1 na-egosi anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala

S/N	NKWUJỌ	MBỤRỤ ANỤMANỤ N'ASỤSỤ NJIRIMEE NCHỌCHA			
		IGBO	YOROBA	AWỤSA	ỊGALA
1.	*Ịta amoosu*	Ikwiikwi	Nwamba	Ikwiikwi	Ikwiikwi na Nwamba
2.	*Ikwu oke okwu*	Icheoku na Asha	Icheoku	Icheoku	Icheoku
3.	*Nzuzu*	Atụrụ	Atụrụ	Atụrụ	Atụrụ
4.	*Iru unyi*	Ezi	Ezi	Ezi	Ezi
5.	*Ịgba n'iro*	Nkịta	Nkịta	Mkpi	Nkịta
6.	*Aghụghọ*	Mbe	Mbe	Nkịta ọhịa	Mbe
7.	*Ịjọ njọ*	Ụsụ, Enwe, Adaka, Ọzọdimgba	Udele na Slọọtụ	Adaka	Enwe na Adaka

8.	*Izu ohi*	Egbe na Oke	Oke na mbe	Oke	Nkwọ na Oke
9.	*Obi ọjọọ*	Agụ na Ọdụm	Ọdụm	Agwọ	Ọdụm
10.	*Isiike*	Ebule	Ewu	Ebule	Ewu
11.	*Mpako*	Ọkpangala	Ọkpangala na Ururu	Ọkpangala	Torotoro na Ọdụm
12.	*Anyaukwu*	Mbe	Mbe	Nkịta	Mbe
13.	*Umengwụ /Ngana*	Ụkpana	Mbe	Udele na mbe	Ọkụkọ na Nkịta ọhịa
14.	*Ekwesịghị ntụkwasị obi*	Mbe, Azụ na Agwọ	Mbe	Ogwumagala	Mbe
15.	*Ịsa ụsa*	Ezi	Akịka	Ezi	Ewu na ọkụkọ
16.	*Amaghị akwụkwọ*	Atụrụ	Ejule	Atụrụ	Atụrụ
17.	*Ísì ọjọọ*	Nkakwụ	Nkakwụ	Mkpi	Mkpi
18.	*Iwe oke iwe*	Nkịta ara, aṅụ na ebu	Agụ	Agwọ	Ọdụm na Nkịta
19.	*Nrafu*	Mbe na agwọ	Mbe	Ogwumagala	Mbe
20.	*Ịrahụ oke ụra*	Edi	Nwamba tụrụ agwa	Edi	Nwamba tụrụ agwa

E depụtara nkwujọ iri abụọ ma gosipụta mbụrụ anụmanụ asụsụ ndị e ji mee nchọcha ji atụnyere akparamagwa mmadụ dịka o si metụta nkwujọ. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na ụfọdụ asụsụ ndị a na-eji otu anụmanụ ezipụta nkwujọ ebe e nwegasịrị ndịiche n'ebe dịgasị iche iche. Nke a ga-eduba anyị ileba anya na myiri na ndịiche dị n'etu asụsụ ndị e ji eme nchọcha si eji mbụrụ anụmanụ egosipụta nkwujọ.

5.2 Myiri dị n'etu asụsụ ndị e ji eme nchọcha si eji mbụrụ anụmanụ ezipụta nkwujọ

N'ebe a, a ga-ahụ myiri dị n'anụmanụ e ji ezipụta nkwujọ n'asụsụ ndị e ji mee nchọchaa. A kọwara myiri ndị a etu e si depụta nkwujọ dị na Tebulu 1. Site na tebulu dị n'elu, o doro anya na asụsụ Igbo, Awụsa na Ịgala ji ikwiikwi ezipụta ịta amoosu. Asụsụ niile ndị a na-enyocha na-eji icheoku ezipụta ikwu oke okwu. Asụsụ niile e ji eme nchọcha na-eji atụrụ ezipụta nzuzu. Ha niile na-ejikwa ezi ezipụta iru unyi. Asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala na-eji nkịta ezipụta ịgba n'iro. Asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala na-eji mbe ezipụta aghụghọ. Asụsụ Igbo na Ịgala na-eji enwe ezipụta ihe jọrọ njọ ebe asụsụ Igbo, Awụsa na Ịgala na-eji adaka ezipụta ihe jọrọ njọ. Asụsụ niile na-eji oke ezipụta izu ohi. Asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala ji ọdụm ezipụta obi ọjọọ. Asụsụ Igbo na Awụsa na-eji ebule ezipụta isiike; asụsụ Yoroba na Ịgala na-eji ewu ezipụta isiike.

Asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na-eji ọkpangala ezipụta mpako. Asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala na-eji mbe ezipụta anyaukwu. Asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala na-eji mbe ezipụta ekwesịghị ntụkwasị obi. Asụsụ Igbo na Awụsa ji ezi ezipụta ịsa ụsa. Asụsụ Igbo, Awụsa na Ịgala ji atụrụ ezipụta amaghị akwụkwọ. Asụsụ Igbo na Yoroba ji nkakwụ ezipụta isi adịghị mma ebe asụsụ Awụsa na Ịgala ji mkpi ezipụta isi adịghị mma. Asụsụ Igbo, Awụsa na Ịgala ji mbe ezipụta nrafu. Asụsụ Igbo na Awụsa ji edi ezipụta irahụ oke ụra.

5.3 Ndịiche dị n'etu asụsụ ndị e ji eme nchọcha si eji mbụrụ anụmanụ ezipụta nkwujọ

N'ebe a, a ga-ahụ ndịiche dị n'anụmanụ e ji ezipụta nkwujọ n'asụsụ ndị e ji eme nchọcha. A kọwara ndịiche a etu e si depụta nkwujọ dị na Tebulu 1. A chọpụtara na naanị asụsụ Yoroba ji nwamba ezipụta ịta amoosu ebe asụsụ Ịgala na-eji ikwiikwi na nwamba ebe asụsụ ndị ọzọ ji naanị ikwiikwi ezipụta ya. Asụsụ Igbo ji icheoku na asha ezipụta ikwu oke okwu ebe asụsụ ndị ọzọ ji naanị icheoku ezipụta ikwu oke okwu. Naanị asụsụ Awụsa ji ọbọgwụ ezipụta iru unyi. Naanị asụsụ Awụsa ji mkpi egosipụta ịgba n'iro. Naanị asụsụ Awụsa ji nkịta ọhịa ezipụta aghụghọ. Naanị asụsụ Igbo ji ụsụ ezipụta ịjọ njọ; asụsụ Yoroba ji udele na slọọtụ ezipụta onye jọrọ njọ. Asụsụ Igbo ji egbe na oke ezipụta izu ohi, asụsụ Yoroba ji oke na mbe ezipụta nke ha ebe asụsụ ndị ọzọ ji naanị oke. Asụsụ Ịgala ji nkwọ

ezipụta izu ohi. Asụsụ Igbo ji agụ na ọdụm ezipụta obi ọjọọ, ebe asụsụ Awụsa ji agwọ ezipụta obi ọjọọ. Asụsụ Igbo na Awụsa ji ebule ezipụta isiike ebe asụsụ Yoroba na Ịgala ji ewu ezipụta isiike.

Asụsụ Yoroba ji ọkpangala na ururu ezipụta mpako. Ọzọ kwa, asụsụ Ịgala ji torotoro na ọdụm ezipụta mpako. Naanị asụsụ Awụsa ji nkịta ezipụta anyaukwu. E nweghi asụsụ abụọ ji otu anụmanụ ezipụta umengwụ. Asụsụ Igbo ji ụkpana ezipụta umengwụ, asụsụ Yoroba ji mbe, asụsụ Awụsa ji udele ebe asụsụ Ịgala ji ọkụkọ. A chọpụtara na asụsụ Igbo ji ụsụ, enwe, azụ na agwọ ezipụta ekwesịghị ntụkwasị obi ebe asụsụ Yoroba na Ịgala ji mbe ezipụta ekwesịghị ntụkwasị obi. Ọzọ, asụsụ Awụsa jikwa ogwumagala ezipụta ekwesịghị ntụkwasị obi. Asụsụ Yoroba ji akịka ezipụta ịsa ụsa ebe asụsụ Ịgala ji ewu na ọkụkọ. Asụsụ Yoroba na Ịgala ji ejule ezipụta amaghị akwụkwọ. Asụsụ Igbo na Yoroba ji nkakwu ebe asụsụ Awụsa na Ịgala ji mkpi ezipụta isi ọjọọ. E nweghị asụsụ abụọ ji otu anụmanụ ezipụta iwe oke iwe. Asụsụ Igbo ji aṅụ, ebu na nkịta ezipụta nke ha, asụsụ Yoroba ji agụ, asụsụ Awụsa ji agwọ ebe asụsụ Ịgala ji ọdụm na nkịta. N'izipụta nrafu, asụsụ Igbo ji mbe na agwọ, asụsụ Yoroba na Ịgala ji naanị mbe ebe asụsụ Awụsa ji ogwumagala ezipụta nrafu. Asụsụ Yoroba na Ịgala ji nwamba tụrụ agwa ezipụta ịrahụ oke ụra.

6. Nchịkọta na mmechi

E mere nchọcha banyere mbụrụ anụmanụ na-ezipụta nkwujọ n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala. E ji atụtụ njirime nyochaa mbunuche ya nke bụ: Ịchọpụta mbụrụ anụmanụ metụtara nkwujọ n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Igala; ịmata myiri dị n'etu asụsụ ndị a si eji mbụrụ ndị a chọpụtara arụ ọrụ; na ịchọpụta ndịiche dị n'etu asụsụ ndị a si eji mbụrụ ndị a chọpụtara arụ ọrụ.

Anụmanụ ndị e wepụtara n'asụsụ Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala e ji mee nchọcha a dị iri atọ na asatọ (38). Mbụrụ anụmanụ dịka ikwiikwi, nwamba na ụsụ ka e ji ezipụta ịta amoosu; icheoku na asha ka e ji ezipụta ikwu oke okwu; atụrụ ka e ji eịzipụta nzuzu; ezi na-ezipụta iru unyi; e ji nịta na mkpi ezipụta ịgba n'iro. E ji mbe na nnanwụrụede ezipụta aghụghọ; e ji enwe, adaka, ọzọdimgba, udele na slọọtụ ezipụta oke ịjọ njọ. E ji oke, egbe, mbe na nkwọ ezipụta izu ohi. E ji ọdụm, agụ na agwọ ezipụta obi ọjọọ. E ji ebule na ewu ezipụta isiike ebe e ji ọkpangala, ururu. torotoro na ọdụm ezipụta mpako.

Anụmanụ dịka mbe na nkịta na-ezipụta anyaukwu. Mbe, udele, ọkụkọ na nkịta ọhịa na-ezipụta umengwụ. Mbe, azụ, agwọ na ogwumagala na-ezipụta ekwesịghị ntụkwasị obi. Anụmanụ dịka ezi, akịka, ewu na ọkụkọ na-ezipụta ịsa ụsa. E ji atụrụ na ejule ezipụta amaghị akwụkwọ. E ji nkakwụ na mkpi ezipụta ísì ọjọọ. Nkịta ara, aṅụ, ebu, agụ, agwọ, ọdụm na nkịta na-ezipụta iwe oke iwe. Anụmanụ dịka mbe, ogwumagala na agwọ na-ezipụta nrafu. Anụmanụ dịka edi na nwamba tụrụ agwa, agwọ ka e ji ezipụta ịrahu oke ụra. Anụmanụ ndị a gosiri ụdịrị echiche ndị Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala nwere nye anụmanụ ndị a nke butere mmado mbụrụ. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na e ji mbụrụ ezipụta nkwuma na nkwujọ mana nke nchọcha a gbadoro ụkwụ naya bụ nkwujọ. Ọzọ, e ji akparamagwa anụmanụ were ezipụta omume mmado.

A chọpụtara na e nwere asụsụ nwere myiri karịa ndị ọzọ. Asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala ka nwe myiri karị a. Nke a bụ maka na asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala si n'otu ezinaụlọ. Greenberg (1963) kewara asụsụ n'ezinaụlọ dị iche iche. Ha dị anọ: Niger-Congo nke a na-ahụta na mbụ dịka Niger-Kodifanian, Afro-Asiatic, Khoisan, Nilo Saharan. Asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala nọ n'otu ezinaụlọ a kpọrọ Niger-Congo n'ime Kwa. Asụsụ Awụsa nọ n'ezinaụlọ Afro-Asiatic n'ime Chadic. Nke a butere na asụsụ Igbo, Yoroba na Ịgala yitere nke ukwu. Ha nwere otu usorookwu, ụdaolu, mwube okwu dgz. A chọpụtakwara na asụsụ Yoroba na Ịgala ka nwe myiri karịa asụsụ Igbo. Kogi State Hub (2021) kwuru na nke a bụ maka e kwenyere na asụsụ Ịgala si na Yoroba pụta. Ọmụmaatụ: Asụsụ Yoroba na-akpọ nwamba tụrụ agwa (civet cat) *eta*, asụsụ Ịgala na-akpọkwa ya *eta*.

Mbụrụ anụmanụ bụ ngwa e ji ezipụta omume mmadụ. Nke a bụ maka na amụmanụ sayensị kọwara na mmadụ na anụmanụ nwere njikọta. Ụfọdụ kwenyere na mmadụ na anụmanụ si n'otu ebe pụta. Ọzọ, ndị asụsụ e ji mee nchọcha bụ ndị e ji ọrụ ugbo mara. Ha na-akpa anụmanụ ebe ọ dị ukwu tụmadị Awụsa na Igbo. Nke a gosiri na a na-eji mbụrụ anụmanụ dị mkpa n'ịkọwa nkwenye, obibi ndụ nakwa nsọala obodo nke ọma. Nke a zipụtara ka asụsụ ndị a họọrọ si ebi ndụ enwe mmekọrịta n'onwe ha. Nchọcha gosiri na mbụrụ na-apụta ihe ma na-akọwa etu nkwenye ndị Igbo, Yoroba, Awụsa na Ịgala dị nakwa etu agbụrụ na asụsụ ndị a si eche uche gbasara ụwa nakwa etu ha si ebi ndụ.

Nrụmaka

Ahamefula, N. O, Agbedo, C.U, & Iloene, G. O. (2020) Semantic analysis of animal connotations in selected Igbo proverbs in Kris Agbedo's *Ogwu*. *Nsukka Working Papers in Language, Linguistics & Literature (NWPLLL)*, 8, 86-103.

Basara, M. N. & Opande, I. N. (2017). The use of animal metaphors in the representation of women in Bukusu and Gusii provebs in Kenya. Africology: *The Journal of Pan African Studies,* 10(2), 82-108.

Ezebube, C. C., Akaeze, C. M. & Chukwuneke, O. F. (2020). Nzipụta ọnwụ n'ụzọ mbụrụ n'abụ ọnwụ dị n'Akpa Uche. *Ebonyi Journal of Language and Literal Studies*, 3, 13-32.

Greenberg, J. H. (1963). *The language of Africa*. Indiana: Bloomington Indiana University Press.

Ibeh, P. I. (2017). *Ntụle mbụrụ metụtara nzuzu na nsirihụ ndị Igbo na ndị Bekee.* Awka: Nnamdị Azikiwe University Press.

Kogi State Hub(2021). Shocking similarities between Igala & Yoruba Language. Nke e wetara na *www.kogistatehub.com/similaiities-between-igala-and-okun-yoruba-language/2021/top-stories/.* Ụbọchị 28/11/2023.

Kövecses, Z. (2010). *Metaphor: A practical introduction* (2nd edition). Oxford: Oxford University Press.

Liu, D. (2002). *Metaphor, culture and worldview: The case of American English and the Chinese language.* Lanham: University Press of America.

Ofomata, C.E. (2013). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Orji, E.O. (2021). Mbụrụ metụtara ntaji anya na nsirihụ ndụ ndị Igbo. *Enyo Jonal*, 2(1), 134-142.

Paul, P. (2021). Hausa people. Encyclopedia Britannica. Nke e wetara na *https://www.britannica.com /topic /Hausa* Ụbọchị 18/07 /2023.

Udemmadụ, T.N. (2018). *Ọmụmụ nghọtaokwu*. Onitsha: Durability Prints.

Umezi, P. I. (2017). *Nnwemagba oge na oke ala n'ilu Igbo na steeti Anambra*. Awka: Nnamdi Azikiwe University Press.

Waśniewska, M. (2018). *A dog or a wolf – The role of connotations in animalistic metaphors and the process of dehumanisation.* Nke e wetara na *journals.umcs.pl/nh/article/view/7021.* Ụbọchị 26/10/2023.

Wittganstein, L. (2009). *Philosophical investigations.* Translated by G. E. B. Anscombe. New York: Macmillan Publishing Co.